Gọọmentị Etiti nke Naijiria

# USORO AKPARAMA AGWA NA NKWỤM ỌTỌ N'OBODO

## N'ASỤSỤ IGBO


Office of the Secretary to the Government of the Federation (OSGF)
Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission (ICPC)
and
National Orientation Agency (NOA)

ULỌ ỌRỤ ODE-AKWỤKWỌ GỌỌMENTI ETITI

ULỌ ỌRỤ NỌỌRỌ ONWE YA N'EKPOCHAPU MPỤ NA IMEBI IWU D'ICHE ICHE

ULỌ ỌRỤ N' AGHAZI IME IHE ZIRI EZI N' OBODO

# USORO AKPARAMA AGWA NA NKWỤM ỌTỌ N'OBODO

*N'ASỤSỤ IGBO*

© Copyright ICPC 2021

*All rights reserved. No part of this publication may be reproduced or transmitted in any form or by any means, electronic or mechanical, including photocopying or otherwise or stored in any retrieval system of any nature, without the written permission of the copyright holder.*

**ISBN:978-978-990-582-9**

Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission
Plot 802 constitution Avenue,
Zone A9, Central Area,
Abuja.
www.icpc.gov.ng

Independence Corrupt Practices and Other Related Offences Commission was established in 2000 by Act No. 5 of year 2000. Its mandates include enforcement, prevention, public education and enlightenment

# IHE DI N’AKWỤKWỌ A



NKOWAPUTA PURU ICHE...........ibe akwukwo iv

Isi 1:
OKWU NKỌWA...........................ibe akwukwo 1

Isi 2:
IHE USORO A NA-EJIDESI IKE.......ibe akwukwọ 3

Isi 3:
ITINYE USORO A N'ORU.............ibe akwukwo 8

Isi 4:
OKWU NCHIKỌTA ......................ibe akwukwo 10

INWETA OSGF/ ICPC/NOA.......... ibe akwụkwọ 11

## NKỌWAPUTA PURU ICHE

**Usoro Akparama Agwa na Nkwum Ọtọ N'obodo N'asụsụ Igbo** a bu nke ụlọ ọrụ Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission (ICPC) na National Orientation Agency (NOA) jikọtara aka wee mepụta n'igba mbo ha iji hu na ewetara akwụkwọ usoro a na ezi nghọta nke ndi nkiti na Naijiria ma hukwa na ha kwadoro ya.

Ọ bụ eziokwu na agba akwụkwọ nke a enweghi ike inara akwụkwọ usoro mutara ya ọnọdu, bu nke Federal Executive Council (FEC) bianyere aka n'ubochi iri na itolu nke onwa Ọgọstu n'afo 2020, Onye Isi Ala bu Muhammadu Buhari wee gosiputa ya nye oha n' ụbọchi iri abụọ na asato nke onwa Seputemba n'afo 2020 mgbe ana eme Nzuko nke Abụọ maka Ibenata Ngari N'oru Oha iji wee cheta iri afọ abụọ nke ICPC gbara, mana akpachapuru anya, gbaa mbo iji wepụ umu okwu ndi gbara okpi di ka nnukwu ndeputasi di iche iche nakwa akụkọ banyere echiche nhiwe, nkwuputa sitere n'akwụkwọ iwu di iche iche, dgz., n'ihi ka ewere asụsụ ga-eme ka akwụkwọ a buru nke di nfe ọgụgụ.

# ISI NKE MBU 1

## 1.0 NKOWA

Usoro Akparama Agwa na Nkwum Ọtọ N'obodo bụ ụlọ ọrụ Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission (ICPC) mepụtara ya na nrụkọta ọrụ ha na ndi nkiti nakwa ụlọ ọrụ di iche iche iji wee zaghachi otụtụ ihe mmebi nke ngari butere ma na' ọrụ ọha ma n'oru ndi nkiti.

E mere nke a n'olile anya na ọ ga-enye aka iji weghachi ma tutee ụzọ ọrụ ndi a dika a na-ewulite akaparama agwa and nkwum ọtọ nakwa aluso ngari ọgụ n'ala Naijiria gbaa gburugburu. Ụlọ ọrụ ICPC emeputabuola otu Akwụkwọ Usoro Mmuta Akparam Agwa maka ikuziri ụmụ aka Naijiria akparama agwa n' ụlọ akwụkwọ. Usoro Akparama Agwa na Nkwum Ọtọ N'obodo nke ugbua na-ewukwasi n'elu ntu ala nke usoro mmuta àhu, iji mee ka ezi akparama agwa a nogidesie ike.

## 1.1 IWU NDI NA-AKWADO USORO A

Usoro a si na ebe ndi a dọrọ ihe ndi di n'ime ya:

- Iwu Ukwu Nke Ala Naijiria 1999 di ka e si megharia ya
- The Corrupt Practices and Other Related Offences Act, 2000,
- National Orientation Act, Cap N64 LFN 2004,
- Nkwekorita Otu Mba Uwa Imegide Ngari (UNCAC) na iwu ndi ozo metutara okwu a.

Usoro a nwekwara akparama agwa ndi esi n'omenala nakwa okpukperechi nke mba di iche iche n'ala Naijiria weputa; usoro apkarama agwa nke udi ọrụ di iche iche di ka Nigerian Union of Journalists, Nigerian Bar Association, COREN, Teachers Registration Council of Nigeria, dgz.

## 1.2 NKWESI IKE NDI TORO NTU ALA NKE USORO A

Usoro a na-amanye onye ọbụla n'ala Naijiria, nakwa onye ọbụla nke bi n'oke ala Naijiria ma ọ bụ nke ya na obodo a na-enwe mmekorita n'otu ụzọ ma o bu nke ọzọ, ikwenye n'ijigidesi akparama agwa ndi a di oke mkpa ike nke bu Ugwu Mmadu, Ntinye Ọnụ na Nsonye, Ihu Obodo N'anya, Oke na Ọrụ Onwe, Nkwum Ọtọ, Idi N'otu Nke Obodo na Iru Ọrụ Puru Iche.

Imebi nkwesi ike obula n'ime ndi a nwere ike ime ka ụlọ ọrụ goomenti ndi o metutara, ma n'ochichi etiti ma n'ochichi steeti, kpọpu mmadu n' ụlọ ikpe.

A ga-eji ihe ndi edere n'iwu etiti di iche iche, n'Iwu Ukwu nke Ala Naijiria, nakwa n'iwu ndi di iche iche na-achikota ụzọ ọrụ ndi puru iche na iwu ndi na-achikota ọrụ ọha na ọrụ ndi nkiti wee na-atapia Nkwesi Ike nke Usoro a.
.

## 1.3 IHE KPATARA EJIRI MEE USORO A

E mere usoro a ka e were ya:

- Mee ka mbo a na-agba iji gbanwee obodo n'uzo di mma wee kwudosie ike, dika umu afo na ndi ha na Naijiria na-emekorita ga na-amuta ma na-egosiputa akparama agwa ndi a.
- Nyere obodo aka irute ebumnobi ya di ka ihe uche obodo putara na-agbanwe.
- Zọpụta obodo na mkpochapụ na odida nke agwa.
- Gbaa umu afo ume ka ha na-ebuwe Naijiria ụzọ n'ihe niile. O ga-enye aka benata ọchichọ “iji ngari zere isi” ma “welite izere ndu nke ndi na-adaghi ike” di ka a na-adolata “ike nke ndi di ike”.
- Mepetukwuo nkparita uka nke na-eme eme ugbua banyere otu a ga-esi megharia akparama agwa iji weputa ihe kacha nma n'ime ndi Naijiria.

# ISI NKE ABUO 2

## 2.0 IHE USORO A NA-EJIDESI IKE



## 2.1 UGWU MMADU



Usoro a na-ekweta na mmadu ọbụla a muru nwere ugwu nke ya na nke aga na-asopuru ghara ile ya ariri.

Ihe ndi di n'ime ihe a ana-ejidesi ike bu ndi a di ka esi kwudosie ha ike n'Iwu Ukwu nke Ala Naijiria:

Òké ruuru Mmadu Idi Ndu, Nnwere Onwe Iji Gaharia, Kwuo Okwu, Mekorita, Iha Otu N'anya Iwu, Ohere Inu Okwu Onye, Nnwere Onwe Iji Mee Otu Onye Choro, Inwéré Onwe Puo Na Ikpagide Òké, dgz. (deputachaa oke ruuru mmadu).

**Otu Nke a si Aru Oru:**
E kweseri itinye ugwu mmadu n'ihu tupu ihe ozo obula n'iwe mmadu n' ọrụ; ndi mmadu kwesiri ka anu ụlọ ha banyere ọrụ ndi metutara ha; ndi mmadu kwesiri inwe nnoro onwe na mkpuchite aha ka aghara imata na ọ bu ha. Ha kwesikwara ihụta arụ nke ikpo asi, iyi egwu, nkagide anya, nchakasi anya na onodu ọrụ nke na adighi edo ahu, dgz. di ka ihe ndi ana enweghi ike inabata.

## 2.2 NTINYE ONU NA NSONYE



Ntinye Onu bu oke ruuru mmadu ikwuputa uche ya ma tinye aka na mkpebi, ebe Nsonye bu itinye aka n'ihe a na-eme ma ọ bụ na mmemme. Usoro a na-akwado Òké ruuru ndi mmadu itinye onu na isonye.

**Ihe ndi di n'ime ihe a ana-ejidesi ike bu:**

Nwkesi Ike N'ọchichi Onye Kwụọ Uche Ya, Ọchichi Ọma, Iji Ngosi Ụzọ Na-edu, Nnọchite Anya, Eledaghi Mmadu Anya, Ohere Inu Okwu Onye, dgz.

**Otu Nke a si Aru Oru:**

- Ọ bụ oke ruuru onye ọbula ka a nochitere ya anya n'ochichi, ka e were nu olu ya n'ihe banyere otu ekwesiri isi eme ihe.
- Onye ọbula nwere ike iburu ozi banyere agwa ojọọ ma o bu mmebi usoro akpaprama agwa na nkwum oto a gakwuru ụlọ ọrụ ọbụla na-ahu maka ibuso ngari agha ma o bu ulo oru nchekwa obodo ọbụla, ma sepukwa aka n'okwu ikpo asi nakwa igbasa ozi nke eziokwu ya edoghi anya.

## 2.3 IHU OBODO N'ANYA



Ihu Obodo N'anya putara mmadu inwe ihunanya ebe obodo ya no ma nwee obi igbachitere ya.

Ọ na-akpalite mmuo nsonye nakwa idi ka obodo, ikwesi ntụkwasi obi, ikwụsi ike n'azụ obodo, iji obodo anya isi, nsopuru, nnagide, nnonyere, dgz.

Áhughi obodo n'anya na-ebute umu afo ikpa agwa ojoo nye ihe ọbụla gbasara obodo ha; mana nsogbu ngari, adighi anagide, ikpa oke aburu, dgz. Usoro a na-amanye ihu obodo n'anya.

**Otu Ihu Obodo N'anya si Arụ Ọru:**

- Ngosiputa Akwa Ejirimara nakwa Ihe Onyonyoo Ejirimara Nijiria n'oha n'ebe niile ụlọ ọrụ ọha no.
  Idowe iwu, isọpuuru oke ruuru ndi ọzọ, na ikwu ezi ihe banyere obodo.

## 2.4 OKE NA ORU ONWE



Òké na Ọru Onwe putara inwe uche na o bụ oke na ọrụ inye aka roputa ihe a ga-eme n'otu. Aturu anya na ndi Naijiria ga na-egosiputa óké na ọrụ onye oge niile.

**Ihe Òké na Ọru Onwe na-acho imeputa bu**:

Kwalite ozụzụ, nsọpụrụ, nnogide and ndoghachi  onwe na gburugburu obodo.

Kwalite ntukwasi obi na ndabere, tumadi n'oru ndi nkiti banyere nroputa ngwa ahia na oru di iche iche nke ga-emejuputa ihe atụrụ anya na ogo mba uwa site n'igosiputa óké na ọrụ onwe nye ndi na-azu ihe nakwa ndi ozo ihe gbasara.

Kwalite ọnọdu nnochite anya n' ọchichi n'ebe ndi ọrụ goomenti atuliiri aka nakwa ndi nke ahonyere ahonye no.

**Otu nke a si arụ ọrụ**:
Gosi óké na oru onwe na nkwum oto site n'imezu óké na ọrụ di iche iche.
Nyere ụlọ nchekwa iwu kwesirinu aka n'ichekwa iwu.
Kwuputa nke bu eziokwu nye ndi ụlọ ọrụ nchekwa iwu banyere ihe onye na-erite n' ọrụ, dgz.

## 2.5 NKWỤM ỌTỌ



Ime ihe na nkwum ọtọ pụtara ime ihe n' ụzọ onye kwenyebuuru na ọ ga-akpa agwa ma ọ bụ n' ụzọ e siri hiwe na o tozuru óké ma na-atu anya na o ga-eme banyere ihe obula. Nkwum oto gunyere ime ihe kwesirinu nakwa ime ya mgbe niile tinyere ime ihe n' ụzọ ehiwere maka iza ajuju maka ihe onye mere nakwa oke na ọrụ onwe otu o ga-eju afo. Usoro a na-akwado ka ndi Naijiria mụta ma biwe ndu nkwum ọtọ.

**Omuma Atu Nkwum Ọtọ A huru Anya**:

- I kwu eziokwu: Ikwu eziokwu ma di ziriri n'ihe obula onye na ibe ya na-eme.
- Nkwuwa Okwu: Ijidesi ike n'ume nke mmụọ iji wee gbaa mbo, nọgidesie ike, ma nọbiga ọghọm, ụjọ na ihe isi ike nan du mmadu nakwa n'ichu nta ihe oma ga-abara ohaneze na obodo uru,na-agbanyeghi ihe o ga-efu onye.
- Izarita Ajụjụ Maka Ihe E Mere: Ikwe nkwa na mmadu ga-aza ajụjụ maka ihe o mere na nke o jụrụ ime.
- Egwu Chineke: Ibi ndu itu egwu Chineke di ka ihe na-egosi uzo nkparita mmadu na ibe ya.
- Ndi Ọzọ So Ya: Ikwu Eziokwu, Idowe Aka Ocha, Ikwesi Ntụkwasi Obi, Nkwenye, Ndoghachi Onwe, dgz.

## 2.6 IDI N'OTU NKE OBODO



Naijiria bu obodo nwere mba nari abụọ na iri ise na okpupkerechi abụọ kacha ibe ha puta ihe nakwa asusu na ụlọ mba kariri nari ise. Ọ di mkpa ka mba niile ga-enwe mmetuta na ha bu otu, sonyekwa ma diri n'otu di ka obodo kwuuru onwe ya.

Ya bu na Idi N'otu nke Obodo putara inwe mmetuta ibu otu nke Naijiria di ka obodo, nke isonye n'obodo ebe ụmụ afo niile ha otu na-agbanyeghi mba ma ọbụ ebe ha si pụta.

Ihe Akparama Agwa a na-acho imeputa bu ibute mmetụta nke ndikorita n'etiti ụmụ afo, ma mee ka ha ghọta na a ga-ekwuchitere ha ọnụ ihe banyere odinma ha n'okwu obodo tumadi ebe ha nwere óké ruuru ha na ike ihọpụta ndi ga-anochitere ha anya.

**Otu Nke a si Arụ Ọrụ:**
Ụmụ afo niile kwesiri igbasi mbo ike chekwaa idi n'otu nke obodo, rụkọta ọrụ maka odinma obodo, sepu aka n'iji ihe ike edozi esemokwu, were nnagide wee na-emeso ibe ha, dgz.

**Ikpe ikpe / Nmagide:**
Onye ọbụla ma ọ bụ otu ọbụla nke na-emebi idi n'otu nke obodo kwesiri ka ahụta ya di ka onye mere oke ạrụ ma taakwa ya ahụhụ ruuru ya.

## 2.7 IRU ORU PURU ICHE



Iru ọrụ pụrụ iche na-ekwu maka idebe ogo di elu atụrụ anya n'aka onye azụrụ nke oma n' ụzọ ọrụ akporo aha. Ọ bụ maka itinye uchu n'iru ọrụ bu igba, idebe iwu na-achikọta ụzọ ọrụ u ahụ.

**Ihe o na-acho imeputa:**
Ibu igba na inwe ogo di elu n'iru ọrụ.

**Iwu Ntuala:**
The Public Service Rules, Code of Conduct for Public Officials, Professional Codes of Ethics, etc.

**Itinye ya N' Ọrụ:**
Usoro a na-amanye ndi ọrụ pụrụ iche ma n'oru ọha ma n' ọrụ ndi nkiti na ha ga-azariri ajuju maka ọrụ ha, gbanahu ikwe ka ọchichọ nke ha megide ihe ọrụ ha chọrọ, ma hapu iju ma ọ bu inara onyinye ọbụla oge ha na-arụ ọrụ ọbụla ewezuga udi onyinye ndi ahu akpọrọ aha kpomkwem na ha nwere ike inata. Ibu igba bu ihe aturu anya n'aka ndi Naijiria na onye ọbụla ya na Naijiria na-azụkọta ahia n'ihe banyere ọrụ ha na-arụ.

# ISI NKE ATO 3

## ITINYE USORO A N'ORU



### 3.1 OGE ỌRU, NTINYE N'ỌRU NA ATỤMATỤ ỌRU

Atụọla atụmatụ itinye usoro a n' ọrụ n'agba di iche iche nke gunyere:

Nkparita Ụbụbọ Nke Ndi o Metụtara.

Itụpụta Atụmatụ Ọrụ na Nke Eji Eme Ihe si na ya Daputa.

Ibudata Usoro a N'ogo Ndi Di N'okpuru Obodo (Steeti na Ochichi Ime Obodo).

Ileghari Okwu Anya Site N'oge Ruo N'oge, Nlebanye Anya na Nnwale.



### 3.2 NCHEKWA IWU NA NTARAM AHỤHỤ

Ụlo Ọrụ Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission ma ọ bụ ụlọ ọrụ nchekwa iwu ndi ọzọ nwere ike taa onye ọbụla ahụhụ ma ọ bụ kpopụ ya ulo ikpe bu onye megidere nkwesi ike na njidesi ike edere na Usoro Akparama Agwa na Nkwum Ọtọ N'obodo a ma ọbụ ghaa ime ndumọdụ ya.

Onye ọbụla nwekwara ike iji usoro a choo ikpe ziri ezi.



**3.3 NDIGIDE**

Ọrụ ọha na ọrụ ndi nkiti n'ogo etiti, steeti na ochichi ime obodo ka a na-agba ume ka ha nabata Usoro a na ihe nkwesi ike di na ya.

A ga-ejikwa Usoro a wee na-ekwu okwu izuta ihe, itu mbere ahia, ihe banyere obodo na àkú na uba, mkpebi banyere omenala/echiche pụrụ iche, dgz.



**3.4 NCHIKỌTA ỌRỤ**

Ụlo ọrụ OSGF, ICPC na NOA ga-achikota itinye usoro a n' ọrụ ebe ụlọ ọrụ ọha ndi ọzọ niile n'ogo steeti na ochichi ime obodo ga-akwado ha.

# ISI NKE ANO 4



## NCHIKOTA

Mmeputa nke ụlọ ọrụ ICPC na ndi ha na ha rukoro wee meputa Usoro Akparama Agwa na Nkwum Ọtọ N'obodo a, na mbianye aka a ga-abianye iji tinye ya n'oru bu ihe nweta di oke mkpa n ambo Naijiria na-agba iji mugharia  onwe ya bụkwa nke ga-ewabata iza ajuju na idowe aka ọcha n'ochichi.

Okwedikwara I doghari ọnọdu ụmụ àfo ya ka ha nwee ike rụọ ọrụ maka mmepe obodo; ebe ọ ga-agbakwa ha ume imuta nsọpụrụ na ihunanya nye ụmụ àfo ibe ha. Etinye usoro a n' ọrụ, ọ ga-eme ka selfishness, ihe ike, adighi n'otu na ochichi ojọọ buru ihe ndi gara aga ka Naijiria were ọnọdụ ya nan ganga n'etiti obodo niile.

## KPOTỤRỤ OSGF

Shehu Shagari Complex, Three Arms Zone, Abuja.
Phone: +234-803-600-1627
Email: info@osgf.gov.ng

**ISI ULO OLU ICPC:**

Plot 802, Constitution Avenue, Zone A9, Central Area, PMB 535, Garki, Abuja, Nigeria

Kpesa mkpesa na website ICPC: www.icpc.gov.ng

Ma obu email: info@icpc.gov.ng (ICPC n'echekwa ndi mere mkpesa na mpkesa ha mere).

Enwekwara ike iji akara ekwenti ndi a nke anadighi ana ego were nweta ICPC:

- MTN: 0803 123-0280, 0803-123-0281, 0803123-0282
- GLO: 0705-699-0190, 0705-699-0191
- 0800 - CALL- ICPC (0800-2255-4272)

A n'egosi ICPC na ihe onyonyo bu television: 'Corruption Must Go' na NTA Network/International, n'ubochi Wednesday, elekere 3.30pm

| | |
|---|---|
| **SOCIAL MEDIA:** | Solu ICPC na social media: |
| **Facebook:** | www.facebook.com/ICPCnigeria1 |
| **YouTube:** | ICPCNIGERIA |
| **Twitter:** | @ICPC_PE |
| **Instagram:** | @ICPCNIGERIA |
| **Mobile App ndi ICPC: Phones** | 'Wahala Dey' na Android, Windows na IOS |

# KPOTURU NOA

## ISI ỤLỌ ỌRỤ NOA:

Block B, Federal Secretariat Complex,
Area I, Garki Abuja, Nigeria PMB 27.

**ỤLỌ ỌRỤ NDI NOA**
36 states of the Federation and 774 Local Government Areas.
Call on: +234 – 803-592-8774
Email: admin@noa.gov.ng
Website: www.noa.gov.ng
Facebook:
www.facebook.com/nationalorientationsgencynigeria
Twitter: @noa_nigeria
Instagram: @noa-nigeria

**Ndi Meghariri ma Tapia ya:**
Independent Corrupt Practices and Other Related Offences Commission (ICPC) &
National Orientation Agency (NOA)
March, 2021




TOGETHER